Ọnọdụ Mpaghara A Rụnyere Ụlọakwụkwọ Na Mmeta Nke Ọma Ụmụakwụkwọ Siniọ Sekọndịrị N'edemede Igbo

Chineke, Stella Obioma
Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka
stella.chineke@unn.edu.ng 08063385262

na

Ezema, Chinenye Anthonia
Humanities Unit, School of General Studies, University of Nigeria, Nsukka.
chinenye.ezema@unn.edu.ng 08037728086

Ụmị

Nchọcha a lebara anya n'ọnọdụ mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ọmụmụ edemede Igbo. Ụdị nchọcha a gbasoro mee nchọcha bụ 'Quasi-Experimental', site n'iji nchọpụta na ntụnyere nnwale ndịnihu na nnwale ndịnazụ (pretest posttest). Ndị e ji mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị nke abụọ (SSII) ọnụọgụ ha dị 303 sitere n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ọhanaeze dị n'okpuru ọchịchị Nsụka. A gbasoro nsere nhatanha sere ụlọakwụkwọ abụọ n'obodo mepere emepe ma serekwa abụọ n'obodo emepeghị emepe. E si ebe a sere ụmụakwụkwọ 163 sitere n'ogbe mepere emepe nakwa mmadụ 140 sitere n'obodo emepeghị emepe. Nsere nhatanha ka e ji sere ụlọakwụkwọ anọ nakwa klaasị anọ; abụọ maka ótứ nchọpụta ebe abụọ nke ọzọ bụ maka'ótứ ntụnyere. Ngwa nchọcha bụ Nnwale Ajụjụ Edemede Asụsụ Igbo (NAEAI), nke dị n'ụdị edemede akọmakọ isiokwu ya bụ 'Onye ndidi na-eri azụ ukpo'. A nwalekwara ogo ntụkwasịobi ngwa nchọcha a ma jiri usoro 'Kendall's Coefficient of Concordance (W)' tụchaa ihe e nwetara na ya, nke gosiri ntụkwasịobi n'ogo akara 0.84. Site n'ihe e nwetara na nnwale ndịnihu na nnwale ndịnazụ e nyere ụmụkawụkwọ, e ji miin na ndịpu n'izugbe zaa ajụjụ nchọcha ma jiri 'Analysis of Covariance' nwalee ụmaokwu n'ogo akara ntụ 0.05. Nchọpụta gosiri na mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ ebuteghị ndịiche pụtara ihe na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ edemede Igbo.

Okpụrụkpụ okwu: Asụsụ, nka asụsụ, edemede, mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ.

Mkpọlite

Asụsụ bụ ihe dị nnukwu mkpa na ndụ mmadụ. Ọ na-enye aka n'iweta ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya. Nke a mere na asụsụ so n'ihe ọmụmụ a na-amụ n'ụlọakwụkwọ n'ogo mmụta dị iche iche. Ọmụmụ asụsụ na-agbadokarị ụkwụ n'ịmụ nka asụsụ anọ nke gụnyere nka ogige, nka okwukwu, nka ọgụgụ na nka odide. Nka asụsụ anọ ndị a kere onwe ha ụzọ abụọ gbara ọkpụrụkpụ. Ha bụ nka nnara na nka mmepụta. Nka nnara bụ nka ndị ahụ mmadụ na-esite na ha enweta ozi dị n'asụsụ nke na-adị n'ụdị ekwurekwu maọbụ ederede. Nka ndị a bụ nka ogige na nka ọgụgụ. Mmadụ na-esi na nka nnara enweta ozi nke okwuu maọbụ odee na-ezi. N'aka nke ọzọ, nka mmepụta bụ nka ndị ahụ mmadụ na-esite na ha eme ka ndị ọzọ mata ihe dị ya n'echiche. Ha bụ nka ekwumekwu na nka odide. Ọ bụ na nka mmepụta ka mmadụ si ezipụta ogo mmamasụ na mmamaede ya n'asụsụ o nwetara maọbụ asụsụ ọ na-amụ. Ihe ọ pụtara bụ na ọ bụ mgbe mmadụ kwuru okwu maọbụ dee ihe ka a ga-amata ogo mmụta o nwere n'asụsụ o ji arụ ọrụ.

N'ịga n'ihu, nka ogige bụ nka asụsụ mbụ nwatakịrị na-enweta na ndụ ya. Umo na Ude (2021) kọwara na ọ bụ naanị ige ntị, ilegharị anya nakwa ibe akwa ka nwa a mụrụ ọhụrụ na-eme oge a mụrụ ya. Ọ na-ege ntị n'okwu ndị nọ na gburugburu ya na-ekwu, tinyekwara mkpọtụ na ụda ndị ọzọ na-emegasị na gburugburu ebe ahụ ọ nọ. Ọ bụ ihe o getara na ntị ka ọ ga-agba mbọ ka o nwee ike kwuo mgbe oge ya ruru. Nka okwukwu bụ nka nke abụọ mmadụ na-enweta n'asụsụ nke dabeere na mmadụ iji ọnụ ya kwuo maọbụ kpọpụta ihe o bu n'uche, nke a tụrụ anya na onye ọzọ na-ege ntị ga-anụ ma ghọta. Okoyeukwu (2019) kọwara okwukwu dịka mmadụ ịkpọpụta ụda site n'iji ọgan okwu wee gosipụta mpụtara maọbụ kọwaa ihe o bu n'uche n'ebe ndị ọzọ nọ. Ihe ọ pụtara bụ na mmadụ ọbụla zuru oke, nọ na gburugburu ebe o nwere asụsụ a na-asụ na-enweta nka ogige ntị na nka okwukwu n'ụzọ ọnatarachi. Ya kpatara na ọ na-abụkarị n'ụlọ ka nwatakịrị na-enweta nka abụọ ndị a. Mana ngwa ngwa nwatakịrị banyere ụlọakwụkwọ, ebe ahụ ka a na-amalite ịkụziri ya ihe gbasara nka ọgụgụ na nka odide.

Ọgụgụ bụ usoro mmadụ si aghọta ozi dị n'ederede. Mgbodile n'ime Ezema (2021) kọwara na nka ọgụgụ bụ ngosipụta ụdịdị inwe ike, usoro na nka ọgụụ nwere iji chọpụta ederede na nghọta ihe e dere, na mbunuche odee. Nke a gosiri mkpa nka ọgụgụ dị n'usoro mmụta, maka na ọ bụ site na ya ka e si emweta nkụzi na

amamihe niile nke odee tinyere n'ederede ya. Nka ọgụgụ gachaa, ihe na-asochizị ya bụ nka odide.

Odide bụ ụzọ mmadụ na-esi n'ụzọ ọdịmara asụsụ nabatara wee na-egosi mmetụta na echiche ya n'ebe ọgụụ nọ. Ọ bụ ụzọ e si eji ihe a na-ahụ anya maọbụ akara egosipụta asụsụ. Hornby n'ime Ogugua, Emerole, Egwim, Anyanwu na Haco-Obasi (2015) kọwara na odide bụ ụzọ e si edetu mkpụrụedide maọbụ akara n'akwụkwọ, mgbọodee maọbụ ihe ndị ọzọ e ji edepụta echiche, nke e ji mkpụrụabịịdịị na okwu egosipụta, ma si na ya zie ndị mmadụ ozi. Bhasin (2020) mere ka a mata na e nwere akanka dị iche iche ndị mmadụ na-agbaso wee na-ede ihe, nke dabeere n'ụdị ihe a na-ede. A bịa na nkụzi na ọmụmụ, odide na-enye ụmụakwụkwọ ohere idetu echiche obi ha na ka ihe si metụta ha na mmụọ, ịhazi mmụta na nkwenye ha n'ụzọ doro anya, nke onye ọbụla ga-enwe ike gụọ ma ghọta.

Odide bụ nka kacha dị elu na nka asụsụ niile. Ya kpatara na a ga-akụziriri ya akụzi ka ụmụakwụkwọ nwee ike ịgba mgbọrọgwụ na ya. Azikiwe n'ime Chineke (2013) kọwara na nka odide bụ nka asụsụ kacha sie ike n'ihi na o hiwere isi na mmadụ iche echiche, hazie echiche ya ma were nka na usoro odide asụsụ e ji arụ ọrụ nabatara dee ya n'ụzọ dị mma. Inweta nka odide bụ otu ihe pụtara ihe na-ezipụta ndịiche n'etiti ndị gụrụ akwụkwọ na ndị agụghị. Ọ bụkwa otu ụzọ gbara ọkpụrụkpụ e si achọpụta ogo mmụta ụmụakwụkwọ nwere nakwa ụzọ isi nwalee ha n'ule dị iche iche. Ya kpatara na a bịa n'ihe ọmụmụ asụsụ, a na-enye ụmụakwụkwọ edemede ha ga-ede iji zipụta mmụta ha nwere n'iji asụsụ ahụ ha na-amụ arụ ọrụ.

Edemede bụ ihe odide mmadụ dere maka ịkọwapụta echiche ya gbasara isiokwu ọ na-ede maka ya, ka onye ọbụla gụrụ ya nwee ike ghọta ya. Na nkọwa Nwadike n'ime Chineke (2013), ọ bụ ederede na-egosipụta ụzọ mmadụ siri were asụsụ kwara ngwa ọrụ, iji kọwaa ihe o bu n'uche nke ọma. Caulfield (2023) kọwara edemede dịka mgbalị odee gbalịrị chee echiche maka isiokwu ọbụla, ma zipụta uche ya gbasara isiokwu ahụ, n'ụzọ a haziri ahazi site n'idepụta ya edepụta. Nkọwa ndị a niile na-egosi na ọbụghị ihe ọbụla e dere ede bụ edemede, kama na edemede ga-enweriri isiokwu ọ gbadoro ụkwụ na ya. Ọzọ bụ na odee na-eche

echiche gbasara isiokwu ahụ ma zipụta ya n'usoro a haziri ahazi. Ya bụ na o nwere usoro ihe odide ga-agbasoriri tupu a kpọọ ya edemede.

Edemede dị nnukwu mkpa n'ebe ụmụakwụkwọ nọ maka na ọ na-enyere ha aka inweta nka iji asụsụ ha na-amụ akọwa onwe ha n'ụzọ doro anya. Ya bụ na edemede na-akwalite nka odide ụmụakwụkwọ. Nwata akwụkwọ maara ka e si ede edemede na-enwe ike idepụta ọsịsa ya n'ule ọbụla ọ na-ele n'ụzọ dị mma, nke ga-eme ka onye na-agụ ihe o dere ghọta ya ma nye ya akara ruuru ya. Gọọmenti etiti ala Naijirịa chọpụtara mkpa edemede dị na ndụ ụmụakwụkwọ wee mee ka mbunuche nke abụọ maka nkụzi asụsụ Igbo n'ogo mmụta sinịọ sekọndịrị bụrụ 'ide Igbo izugbe nke ọma site n'iji ụtọasụsụ dabara adaba, akpaalaokwu, atụmatụokwu dabara adaba, ọkaasụsu Igbo, nsoroedide Igbo na irighiri ihe ndị ọzo e ji achọ asụsụ mma', (Federal Ministry of Education, 2007:ii). Nke a gosiri na nwata akwụkwọ na-amụ asụsụ Igbo kwesiri ịma ka e si eji ya ede edemede tupu ọ bụrụ onye nwere mmụta zuru oke ma kwụrụ chịm n'asụsụ Igbo. Iji zipụta mkpa edemede dị, nwata akwụkwọ ọbụla na-ele ule ngụcha akwụkwọ sekọndịrị (Senior Secondary School Certificate Examination, SSSCE) ga-azarịrị otu ajụjụ sitere n'edemede.

Ka o sila dị, ozi sitere n'aka ndịisi ule WAEC (2020; 2021; 2022) mere ka a mata na ụmụakwụkwọ na-eri mperi n'ihe gbasara ide edemede. Mperi a na-apụta ihe n'ụdị dị iche iche, malite n'edezughị mkpụrụokwu ole a chọrọ, etinyeghị akaraedemede n'ebe ha kwesiri ruo n'iwebata olundị n'edemede ha. Ọtụtụ ihe nwere ike ibụte ajọ ọnọdụ a nke gụnyere enwezughị ndị nkụzị asụsụ Igbo a zụrụ nke ọma n'ụlọakwụkwọ, ejighi ngwa na usoro nkụzi dabara akụzi ihe tinyekwara ọnọdụ gburugburu ụlọakwụkwọ nke na-apụta ihe n'ụdị mpaghara ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ.

Ihe na-eso ekpebi ebe a ga-arụnye ụlọakwụkwọ bụ ebe e nwere mkpa ya, na kwa ebe obosara ala dị. N'ala Naijirịa, ụfọdụ ụlọakwụkwọ ka a rụrụ n'obodo mepere emepe ma rụọ ụfọdụ n'obodo emepeghị emepe. Isedeme (2021) mere ka a mata na mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ bụ ihe mgbamonwe dị nnukwu mkpa ilebara anya na nkụzi na ọmụmụ maka na o nwere ike inye mkpebi gbasara ka ụmụakwụkwọ si emetadebe n'ihe ọmụmụ ha na-amụ. Na nkọwa ya, ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ nwere ike ibute ndịiche n'ụdị nakwa ọnụọgụ ndị nkụzi, ngwa nkụzi

na akarangwa ndị ọzọ a na-ahụ n'ụlọakwụkwọ. Ọnọdụ a nwere ike ime ka ụmụakwụkwọ nọ n'otu mpaghara na-eme nke ọma n'ihe ọmụmụ ha na-eme karịa ogbo ha nọ na mpaghara ọzọ. Iji kwado nke a, Ellah na Ita (2017) mere nchọcha n'okpuru ọchị Ogoja ịmata ka mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ si emetụta ụmụakwụkwọ n'ihe ọmụmụ dị iche iche; nke asụsụ Bekee so na ha. Ndị nchọhca a chọpụtara na ebe ụlọakwụkwọ dị nwere mmetụta pụtara ihe na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Bekee, 'Mathematics' na 'Biology'. Idialu (2013) mere nchọcha nke ya gbasara mmetụta nke jenda na mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ nwere na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ihe ọmụmụ Basic teknọlọjị na Steeti Delta. Nchọpụta ya gosiri na ụmụakwụkwọ ndị nọ n'obodo mepere emepe ka mee nke ọma. Nchọpụta nchọcha ndị a dị iche na nke Uzoegwu (2004). Na nchọcha ọ kpọrọ 'effects of cooperative learning method on students' achievement in essay writing', mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ so n'ihe mgbamonwe ọ lebara anya na ya. Nchọpụta ya gosiri na ebe ụlọakwụkwọ dị ebuteghị ndịiche na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ. Nke a gosiri na enwebeghị nkwekọrịta gbasara mmetụta nke mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ n'ebe mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ dị. Nihi ya, nchọcha a chọrọ ịmata ka ọnọdụ a si dị ire n'ebe ụmụakwụkwọ na-amụ edemede n'asụsụ Igbo nọ. Otu ajụjụ nchọcha na otu ụmaokwu ka e guzobere maka nchọcha a.

Ajụjụ Nchọcha

Kedu ọnọdụ mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'edemede Igbo?

Ụmaokwu

Ho1: Mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ enweghị mmetụta pụtara ihe n'akara miin mmeta nke ọma ụmụakwukwọ siniọ sekọndịrị n'edemede Igbo.

Usoro

Ndị nchọcha gbasoro ụdị nchọcha 'Quasi-Experimental', mee nchọcha a site n'iji nchọpụta na ntụnyere nnwale ndịnihu na nnwale ndịnazụ (pretest posttest). Nworgu (2018) kọwara na ụdị nchọcha a anaghị eji nsere nhatanha enweta ndị e ji eme nchọcha. Nke a dabara maka na ndị e ji mee nchọcha a anọrọchaalarị na klaasị ha (intact classes). Ndị e ji mee nchọcha bụ ụmụakwụkwọ siniọ sekondịrị nke abụọ (SSII) ọnụọgụ ha dị 303 sitere n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ọhanaeze dị n'okpuru

ọchịchị Nsụka. A gbasoro nsere nhatanha sere ụlọakwụkwọ abụọ n'obodo mepere emepe ma serekwa abụọ n'obodo emepeghị emepe. N'ebe a ka e si sere ụmụakwụkwọ 163 sitere n'ogbe mepere emepe nakwa mmadụ 140 ndị nọ n'obodo emepeghị emepe. Nsere nhatanha ka e ji sere ụlọakwụkwọ anọ nakwa klaasị anọ maka nchọcha a. Otu ụdị nsere a ka e jikwa tinye ụlọakwụkwọ abụọ n'ótứ nchọpụta ma tinyekwa abụọ nke ọzọ n'ótứ ntụnyere.

Ngwa nchọcha e jiri mee nchọcha a bụ Nnwale Ajụjụ Edemede Asụsụ Igbo (NAEAI), nke dị n'ụdị edemede akọmakọ isiokwu ya bụ 'Onye ndidi na-eri azụ ukpo'. Ndị nchọcha họọrọ edemede akọmakọ maka na nka ịkọ akụkọ so na nka ụmụaka na-enweta n'oge ha ka dị obere. Ya bụ na ụdị edemede a so na ndị dị mfe n'ebe ụmụakwụkwọ nọ. Ndị nkụzi mmadụ atọ na Mahadum Naijiria Nsụka nyochara ya bụ ngwa nchọcha ma kwuo na ọ dabara. A nwalekwara ogo ntụkwasịobi ngwa nchọcha a ma jiri usoro 'Kendall's Coefficient of Concordance (W)' tụchaa ihe e nwetara na nnwale a nke gosiri ntụkwasịobi n'ogo akara 0.84.

Ndị nchọcha dere ederede nkwado nkụzi n'isiokwu anọ, bụ nke e ji wee kụziere ụmụakwụkwọ ihe izuụka anọ. Ha nyekwara ndị enyemaka nchọcha ha ọzụzụ gbasara ya bụ nkụzi. Ha bụ ndị nkụzi na-akụziri ụmụakwụkwọ ndị e ji mee nchọcha a. Tupu a malite ya bụ nkụzi, e ji ngwa NAEAI nye ụmụakwụkwọ nnwale ndịnihu. Na ngwụcha nkụzi ihe izuụka anọ ahụ, e jikwa ya bụ ngwa NAEAI nye ụmụakwụkwọ nnwale ndịnazụ. Ndị nchọcha gbaziere ndị enyemaka nchọcha ha ụzọ ha ga-esi tinye akara nrite na nnwale ndị a site n'ileba anya na ndịna, nkọwa, nhazi na ndezima. Nke a gbadoro ụkwụ n'usoro e si amaakị edemede ụmụakwụkwọ n'ule WAEC. Ndịna nwere akara 30, nkọwa akara 30, nhazi akara 30, ndezima akara 20. Ndị nchọcha nakọtara edemede ụmụakwụkwọ niile ahụ ndị nkụzị maakịrị. Ha ji miin na ndịpụ n'izugbe zaa ajụjụ nchọcha ma jiri 'Analysis of Covariance (ANCOVA)' nwalee ụmaokwu n'ogo akara ntụ 0.5.

Nchọpụta

Nchọpụta nchọcha a ka e zipụtara na tebul na tebul.

Ajụjụ Nchọcha: Kedu ọnọdụ mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'edemede Igbo?

Tebul 1: Miin na ndịpụ n'izugbe gosiri ọnọdụ mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'edemede Igbo

Mpaghara	Nnwale Ndịnihu			Nnwale Ndịnazụ		Akara Miin Nrite
	N	$\overline{X}$	SD	$\overline{X}$	SD	
Ebe mepere emepe	163	22.40	11.08	29.60	13.97	7.20
Ebe emepeghị emepe	140	21.87	10.77	25.20	13.00	3.33

Ihe e nwetara na tebul nke mbụ gosiri na nnwale ndịnihu ụmụakwụkwọ nọ n'obodo mepere emepe nyere akara miin 22.40 na ndịpụ n'izugbe 11.08. Nwale ndịnazụ ha nyere akara miin 29.60 na ndịpụ n'izugbe 13.97. N'ebe ogbo ha ndị nọ n'ogbe emepeghị emepe nọ, akara miin ndịnihu ha bụ 21.87 na ndịpụ n'izugbe 10.77. Akara miin ha nwetara na nnwale ndịnazụ bụ 25.20 na ndịpụ n'izugbe 13.00. Akara miin nrite ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ebe mepere emepe bụ 7.20 ma nke ndị nọ n'ebe emepeghị emepe bụ 3.33. Akara ndị a zipụtara na ndị nọ n'ebe mepere emepe ka nweta akara nrite.

Tebul 2: Ntụcha ANCOVA gosiri akara miin ndịmiche na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ ndị n'obodo mepere emepe na ndị nọ n'obodo emepeghị emepe n'edemede Igbo

Nsiribịa	Type III Sum of Squares	Df	Mean Square	F	Sig.
Myiri E Deziri	44129.577	8	5516.197	130.484	.000
Ọgbatauhie	1557.650	1	1557.650	36.846	.000
Nnwale Nganihu	34793.720	1	34793.720	823.037	.000
Usoro	4927.824	1	4927.824	116.567	.000
Mpaghara	111.419	1	111.419	2.636	.106
Mmehie	12428.786	294	42.275		
Mkpokọta	286831.000	303			
Mkpokọta E Deziri	56558.363	302			

a. R Squared =.780 (Adjusted R Square =.774)

ihe dị na tebul nke abụọ n'elu ebe a zipụtara na 'F – Calculated' maka mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ bụ 2.636. Akara mpụtara ya bụ .106. Nke a dị elu karịa akara ntụ bụ 0.05. N'ihi nke a, a ga-anabata ụmaokwu nkịtị na-ekwu na enweghị ndịmiche pụtara ihe n'akara miin ụmụakwụkwọ ndị nọ n'obodo mepere emepe na ndị na n'obodo emepeghị emepe n'ọmụmụ edemede Igbo.

Mkparịtaụka

Nchọpụta e nwetara na nchọcha a mere ka a mata na mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ enweghị mmetụta pụtara ihe na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ edededе Igbo. N'agbanyeghị na akara miin nrite ụmụakwụkwọ ndị nọ n'obodo mepere emepe ji ntakịrị karịa nke ndị nọ na mpaghara emepeghị emepe, ya bụ ndịiche apụtaghị ihe dịka ụmaokwu si zipụta. Nchọpụta a dabara na nke Abamba (2021) bụ onye lebara anya n'adịmire ebe a rụnyere ụlọakwụkwọ na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ sekọndịrị n'ihe ọmụmu 'Physics' na steeti Delta. Nchọpụta ya gosiri na e nweghị ndịiche pụtara ihe n'etiti mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ ndị nọ n'obodo mepere emepe na ndị nọ n'obodo emeghị emepe.

N'aka nke ọzọ, nchọpụta nchọcha a gbaghara nke Ellah na Ita (2017), bụ ndị chọpụtara na mpaghara a rụnyere ụlọakwụkwọ na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ihe ọmụmụ asụsụ Bekee. Na nkọwa ha, a na-aka enwe akarangwa e ji akwalite mmụta n'obodo mepere emepe karịa n'obodo emepeghị emepe. Mana dịka nchọpụta nchọcha a gosiri na enwekebeghị ndịiche na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ ndị nọ n'obodo mepere emepe na nke emepeghị, ihe ọ pụtara bụ na ezigbo onye nkụzi anaghị atụkwasị obi naanị na akarangwa nke gọọmenti na-eweta. Ọ na-eji aka ya achọta ngwa nkụzi ga-eme ka nkụzi na ọmụmụ dị ire. Nke a ga-emekwa ka ụmụakwụkwọ na-eme nke ọma n'ihe ọmụmụ ha n'agbanyeghị mpaghara ha hụtara onwe ha.

Nchịkọta

Nchọpụta nchọcha a mere ka a mata na ọ bụghị ebe ụlọakwụkwọ dị bụ isi na-ekpebi ka umuakwụkwọ si emetadebe n'ihe ọmụmụ ha na-amụ n'ụlọakwụkwọ. Nke a pụtara ihe n'akara ụmuakwụkwọ nwetara na nnwale e nyere ha, nke gosiri na ma ụmụakwụkwọ ndị nọ n'obodo mepere emepe ma ndị nọ n'obodo emepeghị emepe nwetachara akara nrite mgbe a kụzichara ha ihe nweere izuụka anọ.

Aro

Site n'ihe a chọpụtara, ndị nchọcha tụrụ arọ ndị a:

1. Gọọmenti ga na-eziga ndị nkụzị a zụrụ nke ọma n'ụlọakwụkwọ niile iji hụ na ọnọdụ nkụzi na ọmụmụ bụ otu ihe na mpaghara ọbụla.
2. Ndị nkụzi ga na-agba mbọ ịhụ na ha na-ewebata usoro na ngwa nkụzi dị mma na nkụzi ha ka ụmụakwụkwọ ha nwee ike na-esonye nke ọma na nkụzi na ọmụmụ n'agbanyeghị mpaghara ha nọ na ya.

Nrụaka

Abama, E. C. (2021). Effects of school location on students' academic achievement in senior secondary Physics based on the SE learning cycle in Delta state. P.hD Thesis, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.

Bhasin, H. (2020). Different types of writing. Retrieved from http://marketing91.com/8different types of writing.

Caulfield, J. (2023). The four main types of essay. Retrieved on 11/02/2025 from https://www.scribbr.com/academic-essay/essay-types/

Chineke, S. O. (2013). Mmetụta usoro nkụzi mgbado ụkwụ n'ọrụ n'ihe nnweta n'ule ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị n'ọmụmụ edemede Igbo n'okpuru ọchịchị Nsụka na steeti Enugwu. M.Ed Desertation, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.

Idialu, O. (2013). Influence of gender, school location and students' attitude on academic achievement in basic technology in Delta state.

Isedeme, P. O. (2021). The Impact of School Location on Students' Achievement in Basic Technology in Nigerian Secondary schools. International Journal of Technology and Inclusive Education (IJTIE),10 (1) 234-252.

Nworgu, B. G. (2018). Educational research: Basic issues & methodology. Nsukka: University Trust Publishers.

Ellah, K. E. & Ita, P. M. (2017). Correlational Relationship between School Location and Students' Academic Performance in English Language in Nigerian Secondary Schools. International Journal of Scientific and Research Publications, 7 (9), 382-398.

Ezema, C. A. (2021). Nkọwa nka ọgụgụ. In Omeje, M. O. and Onwuka, G. T. (Eds.). *Ntọala Nkụzị na Omụmụ Asụsụ Igbo*, 20-32.

Federal Ministry of Education, (2007). Senior secondary curriculum Igbo for secondary schools. Abuja: NERDC.

Ogugua, J. C., Emerole, N., Egwim, F. O., Anyanwu, A. I. & Haco-Obasi, F. (2015). Developing a reading culture in Nigerian society: Issues and remedies. Retrieved from www.transcampus.org/journal/

Okoyeukwu, N. (2019). Teaching listening and speaking skills in the English language. In Oluikpe (Ed.). Introduction to Language Education: The Nigerian Perspective, 301-324.

Umo, U. C. & Ude, F. U. (2021). Nka ogige ntị na ekwumekwu/okwukwu. In Omeje, M. O. and Onwuka, G. T. (Eds.). *Ntọala Nkụzị na Omụmụ Asụsụ Igbo*, 10-19.